# Ntulekọrịta Ngwaa Asụsụ Igbo na Ngwaa Asụsụ Latịn

**Thecla Udemmadụ & Patrick Umezi**
Department of Igbo, African & Asian Studies
Nnamdi Azikiwe University, Awka
theclaudemmadu@yahoo.com/ ikennaumezi@yahoo.com

## Ụmịedemede

Nchọcha a bụ ntụlekọrịta ngwaa asụsụ Igbo na ngwaa asụsụ Latịn. Ụdị nchọcha a bụ nchọcha ntụlekọrịta asụsụ. Ihe ndị nchọcha bu n'obi bụ ịmata ebe ngwaa asụsụ Igbo na ngwaa asụsụ Latịn si yite onwe ha ma ọ bụ nwee ndịiche. Ihe kpalitere mụọ ndị nchọcha ime nchọcha n'isiokwu a bụ na imilikiti ụmụafọ Igbo na-amụ asụsụ Latịn ka asụsụ mba ofesi na-enwekarị ihe mkpọbi ụkwụ oge ha na-eme nke a, tinyere na o nwebeghị onye a tụrụ ọnụ kpọmkwem na o meela nchọcha n'isiokwu a. Atụtụ a gbasoro were mee nchọcha a bụ atụtụ ntụlekọrịta asụsụ si n'aka Lado (1957). Ka e mechara nchọcha a, a chọpụtara na ngwaa asụsụ Igbo na ngwaa asụsụ Latịn nwere ọtụtụ myiri na ndịiche. Myiri dị n'etiti ha bụ na: a na-esi na ha enweta okwu ọhụụ, ha na-anabata mgbakwụnye; ha na-enwe opeka mpe otu ụdaume; ha na-eso mkpọaha n'azụ n'ahịrịokwu; ha nwegbadoro isingwaa. Ndịiche dị n'etiti ha bụ na: ngwaa asụsụ Latịn na-ezipụta ọnụọgụ mana ngwaa asụsụ Igbo anaghị ezipụta ọnụọgụ; ngwaa asụsụ Latịn na-adị na ngwụcha ahịrịokwu mana ngwaa asụsụ Igbo na-adịkewe n'etiti isiahịrị na nnara; mgbochiume nwere ike ijedewe ngwaa asụsụ Latịn mana ọ bụ naanị ụdaume na-ejedewe ngwaa Igbo; n'ahịrịnjụ, mgbakwụnye ngwaa Igbo na-adị n'azụ isingwaa mana mgbakwunye ngwaa Latịn na-adị n'ihu isingwaa; ngwaa Latịn na-agbaso ndakọrịta katigori ụtọasụsụ mana nke a adịghị mkpa maka ngwaa Igbo. N'ikpeazụ, ndị nchọcha tụpụtara aro ka ndị isi ụlọakwụkwọ dị iche iche gbaa mbọ webata akwụkwọ Igbo na Latịn n'ọba akwụkwọ ha. Ọzọkwa, ndị gọọmenti ga-agba mbọ tinye asụsụ Latịn n'ihe ọmụmụ a na-eme n'ụlọakwụkwọ niile. Ihe ndị a ga-eme ka ọ dị mfe inweta ngwaọrụ maka ime nchọcha dị otu a n'ọdịnihu.

## Mkpọlite

Ngwaa bụ mkpụrụokwu na-enye ahịrịokwu nghọta zuru oke. Ọ bụ otu n'ime nkejiasụsụ gbara akpụ nke na-ebute myiri na ndịiche n'etiti asụsụ mba ụwa dị iche iche; n'ihi na ọ bụ ya na-ezipụta ihe okwuu na-eme n'ahịrịokwu. Ahịrịokwu ọbụla enweghi ngwaa anaghị enwe nghọta zuru oke. Ọtụtụ ndị mmadụ agbaala mbọ n'ụzọ dị iche iche ide maka ngwaa asụsụ dị iche iche tinyere asụsụ Igbo na asụsụ Latịn. N'agbanyeghi mbọ ndị a niile ha gbara, o nwebeghị onye tụlekọrịtarala ngwaa asụsụ Igbo na ngwaa asụsụ Latịn iji chọpụta myiri na ndịiche dị n'etiti ha abụọ. Ọ bụ n'ebe a ka nchọcha ha si dị iche na nchọcha a.

Ọ bụ n'ihi mperi dị na mbọ ndị mmadụ gbarala ide gbasara asụsụ Igbo na asụsụ Latịn tinyere na ime ntụlekọrịta dị etu a ga-enye aka ebe ọ dị ukwuu n'ịchọpụta aka mgba cheere onye Igbo oge ọ na-amụ asụsụ Latịn ka ndị nchọcha ji kpebie na ọ dị mkpa ime nchọcha n'isiokwu a. Ọ bụ nke a kpatara nchọcha a jiri gbado ụkwụ na ntụlekọrịta ngwaa asụsụ Igbo na ngwaa asụsụ Latịn. Ebumnobi nchọcha a bụ ịchọpụta oghere dị n'agbata ọmụmụ asụsụ Igbo na asụsụ Latịn site n'ịtụle ngwaa ha abụọ ka e were matawanye myiri na ndịiche dị n'etiti ha. Nke a bụ iji gosi nhatanha dị n'etiti otu asụsụ na ibe ya.

## Ntụleghar̄ị Ihe ndị E Deerela n'Isiokwu a

Ntụleghar̄ị ihe ndị e deerela n'isiokwu a ga-agbado ụkwụ n'ihe ndị a: Nkọwa isiokwu, nnyocha atụtụ; atụtụ nchọcha, nchọcha e merela n'isiokwu na nchịkọta.

## Nkọwa Isiokwu

Ọfọmata (1997) kwuru na ngwaa bụ mkpụrụokwu na-enye ahịrịokwu nghọta zuru oke. Ọ bụrụ na ngwaa adịghị n'ahịrịokwu, nghọta ya anaghị ezu oke. Ọ kwadoro echiche Dahl (1985), onye kwupụtara na ngwaa na-ezipụta tensị na aspeekịtị. Tensị na-ekwu oge ihe jiri mee nakwa etu o si mee, ebe aspeekịtị na-akọwa etu ihe siri dị. Morenberg (1997) n'aka nke ya mere ka a mata na ngwaa dị n'ụdị dị iche iche n'asụsụ ọbụla. Nke ọbụla na-aga dị ka emereme ọ na-akọwa si dị, nakwa mmekọrịta dị n'etiti ngwaa, isiahịrị na nnara. Palmer (2001) kwadoro echiche a were kwupụta na ngwaa na-adị n'usoro. Nke a na-ezipụta ebumnobi okwuu. Ebumnobi ahụ nwere ike ịbụ otu n'ime ihe ndị a: ihe dị mkpa, ihe bụ iwu, inye ikikere, ihe mmadụ kpebiri, ma ọ bụ ihe nwere ike ime. Klaiman (1991) n'aka nke ya kọwara na ngwaa na-ezipụta olu dị iche iche. Olu ngwaa na-egosi onye na-eme ihe na onye a na-emere ihe. Ha dị ụzọ olu abụọ, olu ike na olu nro.

Ọmụmaatụ:

1. Olu ike: Ikenna hụrụ ụgbọala ahụ
2. Olu jụụ: Ụgbọala ahụ bụ Ikenna hụrụ ya

Mbah (2014) kọwapụtara na a bịa n'asụsụ Igbo, a na-akọwa ngwaa dị ka isi asụsụ Igbo n'ihi na e nwere ike isi na ya mepụta nkejiasụsụ ndị ọzọ, mana e nweghị ike isi na nkejiasụsụ ndị ọzọ nweta ngwaa. Wormald (1978) mere ka a mata na ngwaa Latịn na-ekwu onye mere ihe mana ọ naghị ekwu ma ọ bụ nwoke ma ọ bụ nwaanyị. Ọ na-akọwapụta oge ihe ji mee; nke a na-adị n'ụdị tensị. Nkọwa a niile e mere n'isiokwu dịgasị mkpa mana o gboghị mkpa nchọcha a maka na o nweghị onye n'ime ha rụtụrụ aka na myiri na ndịiche dị na ngwaa asụsụ Igbo na ngwaa asụsụ Latịn.

## Atụtụ Ntụlekọrịta Asụsụ

Amụmamụ ntụlekọrịta asụsụ malitere n'ụtọasụsụ ọdịnaala nke nwere ntọala ya n'asụsụ Latịn bụ ebe usoro sayensị asụsụ ọgbara ọhụrụ gbadoro ụkwụ (Gast, nd). Atụtụ ntụlekọrịta asụsụ na-ejide asụsụ abụọ maọbụ ngalaba abụọ dị n'otu asụsụ sekee ha, tụchaa ma wepụta myiri na ndịiche dị n'etiti ha abụọ. Ọ dị ọtụtụ atụtụ na-eleba anya na ntụlekọrịta asụsụ mana nke a ga-agbaso na nchọcha a bụ atụtụ ntụlekọrịta nke Lado wepụtara n'afọ 1957.

## Atụtụ Ntụlekọrịta Asụsụ si n'aka Lado

N'afọ 1957, Robert Lado bipụtara akwụkwọ ọ kpọrọ *Linguistics across Culture:Applied Linguistics for Language Teachers* n'asụsụ Bekee nke e kwuru malitere amụmamụ ntụlekọrịta asụsụ n'usoro sayensị (Abdi, 2016). Atụtụ a Lado wepụtara na-agbado ụkwụ na myiri na ndịiche dị n'otu asụsụ na ibe ya were atụlekọrịta asụsụ. Lado na-akọwa na ndị mmadụ na-aka ewere ihe dị n'asụsụ nne ha eme ntụghar̄ị nakwa mpụtara asụsụ mba ọzọ. Ọ na-akọwakwa na a bịa na ntụlekọrịta asụsụ abụọ, asụsụ nke abụọ na-adị mfe n'ebe ndị ahụ ya na asụsụ nne yiri, na-esikwa ike n'ebe ndị ahụ ya na asụsụ nne dị iche.

Lado na-akọwa na e nwere ike ịtụ ọnụ ma kọwaa usoro nwere ike ibute ọgbatauhie na ndị enweghị ike ibute ọgbatauhie nye onye na-amụ asụsụ. A ga-eme nke a site n'iji usoro a haziri

ahazi wee tụlekọrịta asụsụ na omenala onye na-amụ asụsụ na nke asụsụ ọ ga-amụ. Atụtụ ahụ Lado (1957) guzowere na-ekwu na ebe e nwere myiri n'etiti asụsụ abụọ ahụ (ya bụ asụsụ a na-amụ na asụsụ nne onye na-amụ asụsụ) na ọ ga-enye aka mee ka ịmụ asụsụ nke abụọ dịrị onye na-amụ ya mfe. N'aka nke ọzọ, e nwee nnukwu ndịiche n'etiti asụsụ abụọ ahụ, onye na-amụ asụsụ mba ọzọ ga-enwete nnukwu ihe mkpọbi ụkwụ oge ọ na-amụ asụsụ ndị mba ọzọ. Atụtụ ntụlekọrịta a gbakwasara ukwu n'inyochapụta ndịiche na myiri dị n'etiti asụsụ abụọ iji chọpụta ihe nhịa ahụ nwere ike ichere onye na-amụ asụsụ aka mgba oge ọ na-amụ asụsụ ndị mba ọzọ.

Ọ rụtụrụ aka na ọ bụrụ na asụsụ abụọ ahụ nwere otu ụdịdị, otu usoro na otu nzipụta nghọta, a mara na usoro ahụ ga-enye aka n'ọmụmụ asụsụ ndị mba ọzọ. N'otu aka ahụ, ọ bụrụ na ụdịdị, usoro na nzipụta nghọta ha dị iche iche, a mara na onye na-amụ asụsụ ga-enwe ihe nhịa ahụ oge ọ na-amụ asụsụ ndị mba ọzọ. Atụmatụ ịchọpụta myiri na ndịiche dị n'etiti asụsụ abụọ ga-enyere ndị nkụzi aka itinyekarị anya n'usoro ka mma a ga na-agbaso wee na-akụziri ụmụakwụkwọ asụsụ ndị mba ọzọ. Ọ bụ ụdị ntụlekọrịta a ka e ji achọpụta myiri na ndịiche dị n'otu asụsụ na ibe ya. Ọ bụ atụtụ a ka nchọcha a ga-agbaso, n'ihi na nke a gbasara ịtụle, inyochaa ma ịchọpụta myiri na ndịiche dị n'etiti ngwaa asụsụ Igbo na ngwaa asụsụ Latịn.

**Nchọcha E Meerela n'Isiokwu**

Udemmadụ na Ọkpalike (2013) zipụtara ebumnobi ha nke bụ ịkọwa etu ngwaa Igbo si arụ ọrụ n'ahịrịokwu ọbụla. Ha gbasoro atụtụ usoro okwu CV were mee nchọcha ha. Ha wekọtara ngwaọrụ ha site n'ụzọ ịkparịta ụbụbọ n'etiti ndị mmadụ. Nkọwa ngwaọrụ ha gbadoro ụkwụ n'usoro nke Nwachukwu (1987), nke tụchara ngwaa asụsụ Igbo. Ha ji ụzọ eserese were zipụta nke a. Ha chọpụtara na site n'etu ngwaa asụsụ Igbo si dị, na e nwere ike itinye ọtụtụ usoro okwu na a na-ahazi ahịrịokwu Igbo ka o were nwee echiche zuru oke. Nchọcha Udemmadụ na Ọkpalike yitere nchọcha a n'ihi na ha abụọ na-ekwu maka ngwaa Igbo. Mana n'aka nke ọzọ, ha abụọ dị iche iche n'ihi na nchọcha ha na-ekwu naanị maka ngwaa asụsụ Igbo na etu a ga-esi tinye ya n'ọtụtụ usoro okwu; mana nchọcha a bụ maka ịtụlekọrịta ngwaa asụsụ Igbo na ngwaa asụsụ Latịn. Ya bụ na nchọpụta ha egboghi mkpa nchọcha a. Ọ bụ ya ka nchọcha a ka ji dị mkpa.

Ebuziem (2001) zipụtara ebumnobi ya nke bụ ime ka ndị mmadụ matakwa mkpa ọ dị bụ ịsụ asụsụ Latịn nke bụ asụsụ ọkpụ nke ụwa niile. Ọ gbasoro usoro nchọcha Sọvee nke mere na ọ gara n'ụfọdụ ụlọakwụkwọ chọpụta ụlọakwụkwọ ndị na-amụ asụsụ Latịn na ndị ọmụmụ Latịn adịghị n'ihe amụmamụ ha. O zipụtara na ọnụọgụ ndị na-amụ asụsụ Latịn pere mpe nke ukwuu karịa ndị anaghị amụ ya. Nke a mere o jiri kpọọ oku ka ndị mmadụ malitekwa ịsụ asụsụ Latịn bụ asụsu ọkpụ. O jiri usoro eserese were kọwasịa ngwaọrụ ya.

Nchọcha Ebuziem gbadoro ụkwụ n'asụsụ Latịn. Ọ nọrọ na ya kọwaa ngwaa Latịn na etu e si eji ya arụ ọrụ n'ahịrịokwu dị iche iche. Ọ dịwaga iche na nchọcha a; maka na nchọcha a bụ maka myiri na ndịiche dị n'etiti ngwaa asụsụ Igbo na ngwaa asụsụ Latịn. Ya bụ na nchọcha a ka dị mkpa nke ukwuu. Mbah na Mbah (2014) kọwara mkpa ngwaa dị n'asụsụ ọbụla. Ha sị na ọ bụ ngwaa bụ isi a hụrụ kwaba okpu n'asụsụ ọbụla; maka na ọ bụ ngwaa bụ nkejiasụsụ na-egosipụta ihe e mere n'ahịrịokwu. Nchọcha Mbah na Mbah (2014) bara uru nke ukwu maka uto na ọganihu asụsụ Igbo. Ọ dị iche na nchọcha a makana ọ gbadoro ụkwụ na nkọwa uru ngwaa bara dị ka o si gbasa asụsụ niile, mana nchọcha a bụ maka ntụlekọrịta ngwaa asụsụ Igbo na ngwaa asụsụ Latịn. Ya bụ na nchọcha a ka dịkwa mkpa nke ukwu.

Anagbogu, Mbah na Emeh (2010) kọwara etu ngwaa asụsụ Igbo na ngwaa asụsụ Bekee si enye okwu nghọta dị iche iche site n'agbaala na agbaelu okwu. Nkọwa ha nyere aka n'ụzọ pụrụ iche na nghọta asụsụ Igbo nke ọma. Ọ dị iche na nchọcha a maka na ọ gbadoro ụkwụ naanị na ngwaa asụsụ Igbo nakwa ngwaa asụsụ Bekee, ebe nchọcha a bụ maka ịtụlekọrịta ngwaa asụsụ Igbo na ngwaa asụsụ Latịn. Ya bụ na nchọcha ha egboghi mkpa nchọcha a.

**Nchịkọta Ihe ndị E Deerela n'Isiokwu.**

N'edemede ndị a niile e nyochara, a hụrụ ọtụtụ echiche dị iche iche ndị mmadụ nwere gbasara ngwaa asụsụ Igbo na ngwaa asụsụ Latịn. Ka e mechara ntụle a, a chọpụtara na o nwebeghị onye deerela banyere isiokwu nchọcha a ma ọ bụ ihe yitere ya na mbụ. Nke a mere o ji dị mkpa ka ndị nchọcha gaa n'ihu n'ime nchọcha ha.

Ihe ndị e jiri mee ọmụmaatụ nchọcha a sitere n'aka ndị nchọcha, ebe ọ bụ na ha bụ ndị Igbo ha sitere na amamiihe ha nwere dị ka ndị na-asụ Igbo ka asụsụ mbụ ha wee depụtachaa ihe ha jiri nyegasịa atụ nchọcha a.

**Ngwaa Igbo**

Ngwaa bụ nkejiasụsụ na-ekwu ihe isiahịrị mere ma ọ bụ ka ọ dị. A bịa n'asụsụ Igbo, a na-akọwa ngwaa dị ka isi asụsụ Igbo n'ihi na e nwere ike isi na ya mepụta nkejiasụsụ ndị ọzọ, mana e nweghi ike isi na nkejiasụsụ ndị ọzọ nweta ngwaa (Udemmadụ na Ọkpalike, 2013).

**Njirimara Ngwaa Asụsụ Igbo**

Ngwaa asụsụ Igbo nwere njirimara dị iche iche. Ha bụ ndị a. A na-esi na ya enweta okwu ọhụụ. E nwere ike isi n'isingwaa **–ri** nweta okwu ndị a:

3. Iri (mfinitivu)
4. Eri (mmekangwaa)
5. Orii (omee)
6. Oriri (jerọnd)
7. Nri (aha)

Ọzọkwa, ngwaa asụsụ Igbo na-anabata mgbakwụnye, dị ka nganihu na nsonaazụ. Ọmụmaatụ:

8. Nganihu: **ede** dịka n'ahịrịokwu a.
9. Okeke na-ede ihe.
10. Nsonaazụ: **siri** dị ka n'ahịrịokwu a.
11. Ngọzi siri nri taa.

N'otu aka ahụ, Ọ na-ezipụta aspeekịtị. Nke a bụ ọdịdị ihe a na-ekwu maka ya. Ọmụmaatụ:

12. Ọ mara mma.
13 O pere mpe.

Ọ na-ezipụtakwa omume e mere n'ahịrịokwu. Nke a pụtara ihe n'okwu ndị a:

14. Okeke gara ahịa.
15 O riri nri.

Ọzọkwa, ngwaa asụsụ Igbo na-enwe opekata mpe otu ụdaume. Nke a pụtara ihe n'okwu ndị a: gara na siri. Ọmụmaatụ:

16. Ọ gara ahịa n'ụtụtụ.
17. Ikenna siri nri taa.

Ngwaa asụsụ Igbo na-ezipụtakwa tensị. E ji tensị akọwa oge ihe ji mee, dị ka tensị ndịnihu, tensị ndịugbua na tensị ndịnaazụ. Lee okwu ndị a kara ihe n'okpuru n'ahịrịokwu ndị a :

18. (a) Ndịnihu: Ọ ga-aga ahịa
19. Ndịugbu a: Ọ na-eri nri
20. Ndịnaazụ: Ọ gara ahịa.

Njirimara ọzọ bụ na ụfọdụ mgbochiume dị na ngwaa asụsụ Igbo na-enwe mkpọso.
Ọmụmaatụ mkpọso bụ ndị a:

21. Pịa
22. Bịa
23. Hịa

Ọzọkwa, ọ bụ naanị aha ma ọ bụ nnọchiaha ka o nwere ike iso n'azụ n'ahịrịokwu. Nke a pụtara ihe n'ahịrịokwu ndị a dị n'okpuru. Okwu ndị a kara ihe n'okpuru bụcha ngwaa. Lee ọnọdụ ha nọ na ya.

24 Ikenna bịara ebe a taa.
25 Ọ ga-abịa ebe a echi.

Ngwaa na-agbasokwa usoro edemede na mkpọpụta okwu *mụmụ* (mgbochiume – ụdaume – mgbochiume - ụdaume) (*cvcv*) ma ọ bụ *mụ (cv*). Lee okwu ndị a dị n'okpuru anya.

26. bata – *mụmụ* (cvcv): Bata n'ime ụlọ.
27 rere – *mụmụ* (cvcv): Ikenna rere ewu ahụ.
28 bi - *mụ* (cv): Ha bi na Nanka.

Ọ bụ naanị ụdaume na-emechi ngwaa asụsụ Igbo. Ọmụmaatụ ya pụtara ihe n'okwu ndị a a kara ihe n'okpuru. Gara. Dị ka n'ahịrịokwu a: Ọ gara ahịa taa.

30 Bata: Bata n'ime ụlọ.

Ọzọkwa, ngwaa asụsụ Igbo na-adịkarị n'etiti isiahịrị na nnara. N'ahịrịokwu ndị a dị n'okpuru, okwu ndị a kara ihe n'okpuru bụ ngwaa. Lee ọnọdụ ha nọ na ya.

31. Ikenna gara akwụkwọ.
32. O siri nri taa.

Ụfọdụ n'ime ngwaa asụsụ Igbo nwere ike ịkwụrụ onwe ha ma nwee echiche zuru oke.

Ọmụmaatụ:
33. Bịa
34. Pụọ
35. Rie
36. Jee

Nke ọzọ bụ na a bịa n'ahịrịnjụ, tensi ndịnaazụ na tensi ndịmecha, mgbakwụnye ngwaa asụsụ Igbo na-anọ n'azụ isingwaa. Nke a pụtara ihe n'okwu ndị a dị n'okpuru,

37. Ọ gaghi eri nri.
38. Ogochukwu riri nri ahụ.

Ọ na-ebukwa ụdaolu. Ọ bụ n'ụda ya ka e si amata mpụtara ya. Ọ na-ebu ụdaala mgbe e ji ya ezipụta ajụjụ. Ọmụmaatụ:

39. Ọ biara ebe a.
40 Ọ biara ebe a?

Njirimara ọzọ pụtara ihe bụ na ngwaa asụsụ Igbo na-agbaso iwu ndakọrịta ụdaume mgbe ọbụla ọ na-eso nnọchiaha mkpoolu na ndokọ okwu. Lee okwu ndị a dị n'okpuru.

41. Ọ gara ahịa.
42. O riri nri.

N'ọmụmaatụ ndị a dị n'elu, ọ ga-abụ nsụjọ ma ọ bụ ndejọ n'ịsị, 43 "O gara ahịa" ma ọ bụ, 44 "Ọ riri nri". Nke a bụ maka na ụdaarọ na ụdamfe agaghị agakọli. Ngwaa asụsụ Igbo na-enwe isingwaa ebe akụkụ ngwaa ndị ọzọ na-esi apụta. E nwere ike isi n'isingwaa dị ka **–ri** ma ọ bụ **–ga** nweta ngwaa dị ka ọ dị n'okwu ndị a:

45. ri- (riri)
46. ga- (gara)

Ọ bụ naanị mgbochiume na-ebido ya. Nke a pụtara ihe n'ọmụmaatụ ndị a dị n'okpuru.

47. Riri
48. gara

**Ngwaa Asụsụ Latịn**

Dị ka ọ dị n'asụsụ ndị ọzọ, n'asụsụ Latịn ngwaa bụ nkejiasụsụ na-ekwu ihe isiahịrị mere ma ọ bụ etu ọ dị. Ngwaa Latịn nwere olu ike na olu nro.

**Njirimara Ngwaa Asụsụ Latịn**

Nke mbụ, ọnọdụ ngwaa asụsụ Latịn n'ahịrịokwu na-abụ na njedewe ahịrịokwu. Lee ahịrịokwu ndị a dị n'okpuru, okwu ndị a kara ihe bụ ngwaa.

49. Puero pecuniam dat – O nyere nwata ahụ ego.
50. Omnes eum laudabunt – Onye ọbụla ga-eto ya.

Ọzọkwa, a na-esi na ngwaa Latịn enweta okwu ọhụụ. E nwere ike isi n'isingwaa **–reg** (-chị) nweta okwu ọhụrụ ndị a:

51. Regere (mfinitiv) - ịchị
52. Regens regentis (mmekangwaa) –achị
53. Regendum (jerọnd)- ọchịchị

N'otu aka ahụ, ngwaa asụsụ Latịn na-akọwa omume e mere n'ahịrịokwu. Ọmụmaatụ:

54. Duos filios vir habet - Nwoke ahụ nwere ụmụ abụọ.
55. Alios militum dux laudat - Ọchịagha toro ụfọdụ ndị agha.

Ụfọdụ ngwaa Latịn nwere ike ịkwụrụ onwe ha ma nwee echiche zuru oke. Ụfọdụ n'ime ha bụ ndị a:

56. Bibe – ṅụọ.
57. Veni – bịa

Ọzọkwa, n'ahịrịnjụ, mgbakwụnye na-anọ n'ihu isingwaa. A nakwaghị edekọ ya na isingwaa ọnụ. Ọmụmaatụ:

58. Ne festinaret – E mela ọsọ ọsọ.
59. Ne rego – Agaghi m achị.

N'ọmụmaatụ ndị a dị n'elu, ọ dị mkpa ka a mata na a bịa n'asụsụ Latịn, '*ne'* pụtara mgbakwụnye njụ niile. Njirimara ọzọ pụtara ihe bụ na ngwaa Latịn na-ezipụta ọnụọgụ. Mkpọolu bụ "est" ebe ụbara bụ "sunt." Ọmụmaatụ:

60. Puer in horto est. – Nwata ahụ no n'ugbo.
61. Pueri in horto sunt. – Ụmụaka ahụ nọ n'ugbo.

Ọzọkwa, ọ na-eso aha ma ọ bụ nnọchiaha n'azụ n'ahịrịokwu. Ọmụmaatụ:

62. Pater similis est – Ọ dị ka nna ya.
63. Rex milites suos laudat- Eze toro ndị agha ya.

Ọ na-enwekwa opeka mpe otu ụdaume. Ọmụmaatụ:

64. est- bụ (mkpoolu) (55) sunt- bụ (ụbara)

Ọzọkwa, ngwaa asụsụ Latịn bụ ndebe olu. A naghị esi n'ụda ya achọpụta mpụtara ya. Nke a pụtara na e nwere ike idebe olu n'ụdị ọbụla wee kpọpụta otu ihe, ọ naghị enye otu mpụtara.

Njirimara ọzọ pụtara ihe bụ na o nwere olu ike na olu jụụ. Ọmụmaatụ:

66. Olu ike: Rego - Ana m achị
67. Olu nro: Regor – A na-achị m

Ọ na-enwe isingwaa ebe a na-esi enweta akụkụ ngwaa ndị ọzọ. Ọmụmaatụ:

68. Reg – (Rege-bas)
69. Mone- (mone-bas)

N'asụsụ Latịn, mgbakwụnye nke isingwaa bu na-ezipụta nnọchiaha dị n'ọnọdụ omee. Nke a pụtara na mgbe ngwaa werechara mgbakwụnye, ọ bazighi uru na omee ma ọ bụ isiahịrị na-apụta ihe n'okwu. Ọmụmaatụ:

70. Amo – M na-ahụ n'anya.
71. Amas –Ị na-ahụ n'anya.

N'ebe a, mgbakwụnye ndị a a kara ihe n'okpuru ezipụtala na a makọrọ ngwaa na nnọchiaha ọnụ nke na okwu ndị a abụrụla ahịrịokwu zuru oke. Ngwaa Latịn na-agbaso ndakọrịta katigori ụtọasụsụ ndị ọzọ iji zipụta mpụtara nwere echiche. Ọmụmaatụ:

| **Latịn** | **Igbo** |
|---|---|
| 72. Ngọzi in horto ambulat. | Ngọzi na-aga n'ugbo. |
| 73. Ego et Chika in horto ambulamus. | Mụ na Chika na-aga n'ugbo. |

N'ọmụmaatụ ndị a dị n'elu, ngwaa Latịn gbanworo ọdịdị ha n'ihi katigori dị iche iche. Ọmụmaatụ

72 bụ mkpoolu, ebe nke
73 bụ ụbara.

**Myiri Dị n'Etiti Ngwaa Asụsụ Igbo na Ngwaa Asụsụ Latịn**

E nwere ọtụtụ myiri dị n'etiti ngwaa asụsụ Igbo na ngwaa asụsụ Latịn. Ụfọdụ n'ime ha bụ ndị a. A na-esi na ngwaa asụsụ Igbo na ngwaa asụsụ Latịn enweta okwu ọhụrụ. E nwere ike isi n'isingwaa Igbo **–ri** ma ọ bụ isingwaa Latịn **reg-** nweta okwu ọhụụ ndị a:

| **Okwu ọhụụ** | **Igbo** | **Latin** |
|---|---|---|
| **Isingwaa** | **-ri** | **reg-** |
| 74. Mfinitivu | iri | regere (ịchị) |
| 75. Mmekangwaa | eri | regens regentis (achị) |
| 76. Jerọnd | oriri | regendum (ọchịchị) |

Ọzọkwa, ha abụọ na-anabata mgbakwụnye. Ọmụmaatụ:

| **Igbo** | **Latịn** |
|---|---|
| 77 riri | Fu-eram (abụbu m) |
| 78. gara | Rex- isses (Ị kaburu ịchị) |

Ha abụọ na-ezipụtakwa omume e mere n'ahịrịokwu. Ọmụmaatụ:

| **Igbo** | **Latịn** |
|---|---|
| 79. O riri nri. | Poterisne cras venire (Ị ga-abịa echi.) |

Ha abụọ na-enwe opeka mpe otu ụdaume na ndepụta nakwa mkpọpụta ha. Ọmụmaatụ:

| **Igbo** | **Latin** |
|---|---|
| 80. gara | rego (Ana m achị) |
| 81. bia | humili (pere mpe) |

Ọzọkwa, ha abụọ na-eso aha ma ọ bụ nnọchiaha n'azụ n'ahịrịokwu. Ọmụmaatụ:

| **Latịn** | **Igbo** |
|---|---|
| 82. Labienum ducem constituerunt. | Ha mere Labienus Eze. |
| 83. Patre mortuo, domum redierunt. | Mgbe nna ha nwụrụ, ha lachighara azụ n'ụlọ. |

Ha abụọ na-ezipụtakwa tensị na aspeekịtị. Ọmụmaatụ:

Tensị:

| **Latịn** | **Igbo** |
|---|---|
| 84. Puer epistolam scribet. | (a) Nwata ahụ na-ede akwụkwọ ozi. |

Aspeekịtị:

| | |
|---|---|
| 85. Stratura humili fuit. | (b) O pere mpe. |

Ọzọkwa, ụfọdụ n'ime ha nwere ike ịkwụrụ onwe ha ma nwee echiche zuru oke. Ọmụmaatụ:

| **Latịn** | **Igbo** |
|---|---|
| 86. Veni | Bịa |
| 87. Bibe | ṅụọ |

Ha abụọ nwegbadoro isingwaa nke a na-esi na ya enweta akụkụ ngwaa ndị ọzọ. Ọmụmaatụ:

**Latịn** **Igbo**

88. mone- (moneo) -ri (riri)

**Ndịiche Dị n'Etiti Ngwaa Asụsụ Igbo na Ngwaa Asụsụ Latịn**

Nke mbụ, ngwaa asụsụ Latịn na-ezipụta ọnụọgụ, mana ngwaa asụsụ Igbo anaghị ezipụta ọnụọgụ. Nke a pụtara ihe n'ọmụmaatụ ndị a dị n'okpuru.

| Latịn | Igbo |
|---|---|
| 89. Puer in horto est | Nwata ahụ no n'ugbo |
| 90. Pueri in horto sunt | Ụmụaka ahụ no n'ugbo |

N'ọmụmaatụ ndị a "est" bụ mkpoolu, ebe "sunt" bụ ụbara, mana ọ dịghị etu a n'asụsụ Igbo. Ọzọkwa, a bia n'asụsụ Latịn mgbakwụnye nke isingwaa bu na-ezipụta nnọchiaha dị n'ọnọdụ omee. Mana n'asụsụ Igbo, mkpọaha maọbụ nnọchiaha ga-apụtarịrị ihe. Ọmụmaatụ:

91. Amo – M na-ahụ n'anya.
92. Amas – Ị na-ahụ n'anya.

N'ebe a, mgbakwụnye ndị a a kara ihe n'okpuru ezipụtala nnọchiaha zuru oke nke na okwu ndị a abụrụla ahịrịokwu zuru oke. Ngwaa asụsụ Latịn na-adị na ngwụcha ahịrịokwu, mana ngwaa asụsụ Igbo na-adịkewe n'etiti isiahịrị na nnara. Ọmụmaatụ:

| Latịn | Igbo |
|---|---|
| 93. Iam dudum scribit. | O teela aka ọ na-ede ihe. |
| 94. Puer patris similis est | Nwata ahụ dị ka nna ya. |

Ụfọdụ mgbochiume ngwaa asụsụ Igbo na-enwe mkpọso mana mgbochiume ngwaa asụsụ Latịn anaghị enwe ya. Ọmụmaatụ mkpọso:

95. Hịa
96. Pịa
97. Bịa

N'ụdịdị mkpụrụokwu, mgbochiume nwere ike imechi ngwaa asụsụ Latịn, mana ọ bụ naanị ụdaume na-emechi ngwaa Igbo. Ọmụmaatụ:

| Latịn | Igbo |
|---|---|
| 98. Venit | Bịara |
| 99. est | bụ |

N'ahịrịnjụ, mgbakwụnye ngwaa Igbo na-adị n'azụ isingwaa mana mgbakwụnye ngwaa Latịn na-adị n'ihu isingwaa; a nakwaghị edenye ya n'ahụ isingwaa. Ọmụmaatụ:

| Latịn | Igbo |
|---|---|
| 100. Ne veniat. | Ọ naghi abịa. |

N'ụdịdị mkpụrụokwu, ngwaa asụsụ Igbo na-agbaso usoro *mụmụ* (mgbochiume – ụdaume – mgbochiume - ụdaume) (cvcv) maọbụ *mụ* (cv),mana ngwaa Latịn anaghị agbaso usoro ahụ. Ọmụmaatụ:

101. bata – *mụmụ* (cvcv)
102. Were – *mụmụ* (cvcv)
103. bi – *mụ* (cv)

Ọzọkwa, ngwaa Latịn na-agbaso ndakọrịta katigori ụtọasụsụ iji zipụta mpụtara nwere echiche, mana nke a adịghị mkpa maka ngwaa Igbo. Ọmụmaatụ:

| **Latịn** | **Igbo** |
|---|---|
| 104. Ngọzi in horto ambulat. | Ngọzi na-aga n'ugbo. |
| 105. Ego et Chika in horto ambulamus. | Mụ na Chika na-aga n'ugbo. |

N'ọmụmaatụ ndị a dị n'elu, ngwaa Latịn gbanworo ọdịdị ha n'ihi katigori dị iche iche, mana ngwaa Igbo agbanwoghi.

Ụdaume nwere ike ibido ngwaa asụsụ Latịn; mana ọ bụ naanị mgbochiume na-ebido ngwaa asụsụ Igbo. Ọmụmaatụ:

| **Latịn** | **Igbo** |
|---|---|
| 106. Amat | Ọ hụrụ n'anya. |

**Nchịkọta Nchọpụta**

Na nchọcha a, ndị nchọcha chọpụtara na ngwaa asụsụ Igbo na ngwaa asụsụ Latịn nwere ọtụtụ myiri na ndịiche dị n'etiti ha abụọ. Myiri dị n'etiti ha bụ ndị a: a na-esi na ngwaa asụsụ Igbo na ngwaa asụsụ Latịn enweta okwu ọhụrụ, ha abụọ na-anabata mgbakwụnye; ha abụọ na-ezipụta omume e mere n'ahịrịokwu, ha abụọ na-enwe opeka mpe otu ụdaume, ngwaa Igbo na nke Latịn na-eso aha ma ọ bụ nnọchiaha n'azụ n'ahịrịokwu, ha abụọ na-ezipụta tensị na aspeekịtị. Ụfọdụ n'ime ha nwere ike ịkwụrụ onwe ha ma nwee echiche zuru oke, ha abụọ nwegbadoro isingwaa.

N'aka nke ọzọ, ndịiche dị n'etiti ha bụ ndị a: ngwaa asụsụ Latịn na-ezipụta ọnụọgụ, mana ngwaa asụsụ Igbo anaghị ezipụta ọnụọgụ, a bịa n'asụsụ Latịn mgbakwụnye nke isingwaa bu na-ezipụta nnọchiaha dị n'ọnọdụ omee. Mana ọ dịghị etu ahụ n'asụsụ Igbo, ngwaa asụsụ Latịn na-adị na ngwụcha ahịrịokwu, mana ngwaa asụsụ Igbo na-adịkewe n'etiti isiahịrị na nnara, ụfọdụ mgbochiume ngwaa Igbo na-enwe mkpọso mana mgbochiume ngwaa Latịn anaghị enwe ya, N'ahịrịnjụ, mgbakwụnye ngwaa Igbo na-adị n'azụ isingwaa mana mgbakwụnye ngwaa Latịn na-adị n'ihu isingwaa, n'ụdịdị mkpụrụokwu, ngwaa asụsụ Igbo na-agbaso usoro *mụmụ* (mgbochiume-ụdaume-mgbochiume-ụdaume) (*cvcv*) ma ọ bụ *mụ* (cv), mana ngwaa Latịn anaghị agbaso usoro ahụ. Ngwaa Latịn na-agbaso ndakọrịta katigori ụtọasụsụ iji zipụta mpụtara nwere echiche, mana nke a adịghị mkpa maka ngwaa Igbo, Mgbochiume nwere ike imechi ngwaa Latịn, mana ọ bụ naanị ụdaume na-emechi ngwaa Igbo.

**Mmechi**

N'ikpeazụ ndị nchọcha mejupụtara ebumnobi ha nke bụ nsogbu dị n'ịmata myiri na ndịiche dị n'etiti ngwaa asụsụ Igbo na ngwaa asụsụ Latịn. Ndị nchọcha mere nke a site n'ịchọpụta njirimara ngwaa asụsụ abụọ a nke ha sizi na ya chọpụta myiri na ndịiche dị n'agbata ha abụọ. Ya bụ na nchọcha a egboola mkpa nke e ji maka ya were mebe ya.

Site na nchọcha a, nakwa nsogbu ndị cheere ndị nchọcha aka mgba mgbe ha na-eme nchọcha a, ha na-atụ aro ndị a: ka ndị isi ụlọakwụkwọ dị iche iche gbaa mbọ hazie ọba akwụkwọ ha n'ụzọ pụrụ iche ịhụ na e nwere ọtụtụ akwụkwọ ọgụgụ Igbo na nke Latịn; nke a ga-eme ka ọ dị mfe ime nchọcha dị otu a n'ọdịnihu. Ọzọkwa, ka ndị gọọmenti na ndị ọzọ amụma agụmakwụkwọ dị n'aka gbaa mbọ tinye asụsụ Latịn n'ihe ọmụmụ a na-eme n'ụlọakwụkwọ

niile. Nke a bụ n'ihi na uru dị n'ịmụ asụsụ Latịn karịrị akarị. Ụdị amụmamụ a ga-enyere ndị Igbo na-amụ asụsụ Latịn dị ka asụsụ ndị mba ọzọ aka ịmata nsogbu ndị ha nwere ike izute wee mata etu ha ga-esi gbochie ha. Ọzọ bụ na asụsụ Latịn bụ nne mụsara ọtụtụ asụsụ dị n'ụwa. N'ihi nke a, ọ dị mkpa ka ndị na-amụ asụsụ ọbụla mata ihe olenaole banyere asụsụ ọkpụ a. Ntụlekọrịta asụsụ abụọ ga-enyere ndị Igbo aka ịmụta ọtụtụ ihe banyere asụsụ Latịn ọkachasị ndị ekpemekpe ụka Roman Katọlik, ndị na-eji asụsụ Latịn aka ụka mgbe ụfọdụ.

## Edensibịa


Abdi, N. (2016). *Contrastive Analysis and Error Analysis*. Tesolclass.com/applying-sla-theories/contrastive-analysis retrieved on 4th September, 2016

Anagbogu, P.N., Mbah, B.M. & Eme, C.A. (2010). *Introduction to linguistics (mbgh.2).* Awka: Amaka Dreams.

Dahl, O. (1985). *Tense.* Cambridge: Cambridge University Press.

Ebuziem, C. (2001). *Let's speak Latịn(for the church and the state).* Owerri: Krisdon Graphic.

Gast, V. (forthcoming). Contrastive analysis: Theories and methods. In Kortmann, B. and J. Kabatek (eds.), *Dictionaries of Linguistics and Communication Science: Linguistic theory and methodology*. Berlin: Mouton de Gruyter.

Klaiman, M.H. (1991). *Grammatical voice.* Cambridge: Cambridge University press.

Lado, R. (1957). *Linguistics across Culture: Applied Linguistics for Language Teachers.* Ann Arbor: University of Michigan

Mbah, B.M & Mbah E.E. (2014). *Atụtụ amụmamụ asụsụ Igbo*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Mbah, B.M. (2011). *GB. syntax: a minimalist theory and application in Igbo.* Enugu: CIDJAP Press.

Morenberg, M. (1997). *Doing grammar.* Oxford: Oxford University Press.

Nwachukwu, P.A. (1987). *The argument structure of Igbo verb.* Cambridge: MIT.

Ofomata, C. (1997*). Jụọ m Igbo.* Awka: Format Publishers.

Palmer, F.R. (2001). *Mood and modality.* Cambridge: Cambridge University Press.

Udemmadụ,T.N. & Okpalike, B. I. (2013). Igbo vp in x-bar syntax, *n'Igbo scholars journal*. 1:1, Julaị 2013

Wormald, R.D. (1978). *Longmans'Latin course grammar and exercises.* Aberdren: Aberdren University Press.